# Aṅụrị Efu

Na-ahọrọ ịhụnanya kama egwu



Akwụkwọ Gbasara Ihe Mmụọ nke Sitere n'aka Ken Luball na Bodhi ("Nduzi nke Mmụọ")

# Table of Contents

Title Page

Aṅụrị Efu

Okwu Mmalite: | Nye Ụmụ nke Ụwa

Isi nke 1: | Nchọta Ihe Gị

Na-ekesara Ụwa “Ihe” Gị

ISI NKE 3: | MGBIDI, IHE MKPUCHI, NA ỌNỤ ỤZỌ AHỤ | Ihu Ụlọ

ISI NKE 4: | Uche, Ahụ, Njikọ Mmụọ

Isi nke 5: | Mmụọ Nsọ Na-enye Ndụ Anyị Mpụtara

Isi nke 6: | Mmụọ na Mmụta

Nkebi nke 1 - Gịnị mere Ịmụta ihe ji esi ike?

Isi nke 7: | Ibi na Mmụta

Isi nke 8: | Na-ahọrọ Ịhụnanya kama Egwu

Isi nke 9: | Gị na Mmụọ Ibi na Ndụ Gị

Isi nke 10: | Aṅụrị Efu

Isi nke 11: | Ihe Ndụ Pụtara

OKWU MMECHI

*Akwụkwọ Gbasara Ihe Mmụọ nke Sitere n'aka Ken Luball na Bodhi ("Nduzi nke Mmụọ")*

Translator: **Esther Onwubuya**
Copyright Claimant: Ken Luball

# Okwu Mmalite:

# Nye Ụmụ nke Ụwa

**“Ozigbo a mụrụ gị ka a na-enye gị aha, ekpemekpe, obodo na agbụrụ. Ị na-ebizi ndụ gị niile na-echekwa njirimara arọ arọ.”**

Ka ị na-etolite, ị ga-achọpụta na ndụ nwere ike ịbụ ihe ịma aka.
Ụwa anaghị abụ mgbe niile ebe mara mma ibi.
Ị ga-ahụ ọtụtụ ihe na-eme ka ị na-eche
Gịnị mere ihe ọjọọ ji eme ọtụtụ ndị.
Ị ga-ahụ ndị na-enweghi nri ga-ezuru ha iri
Ma ọ bụ ebe ha ga-ebi, na ndị ọzọ,
Ndị na-adịghị enwe mmasị na mmadụ n'ihi na ha dị iche.
N'adịghị ka foto dị n'elu, n'agbanyeghi agwa akpụkpọ ahụ gị bụ,
Obodo i bi na ya, aha gị, ekpemekpe gị,
Ma ọ bụ ihe ọ bụla ọzọ dị iche iche e nwere,
Ọ dị mkpa na " ikweghi " na onye ọ bụla ka mma
Ma ọ bụ dị mkpa karịa onye ọzọ ọ bụla.
"Ndụ ọ bụla dịkwa oke mkpa",
N'agbanyeghi ụdị iche ọ bụla a ghụtara na ha dị n'etiti anyị.
Ibi ndụ dị mma enweghi ihe jikọrọ ya na ọrụ i nwere,
Ego ole ị na-enweta,
Ị bụ onye ama ama ma ọ bụ ihe ọ bụla ọzọ ị nụrụla maka ya
Mgbe ị na-etolite.
Kama, naanị ihe dị mkpa bụ na ị bụ “ezigbo” mmadụ.
Bụrụ onye na-eche banyere mmetụta ndị ọzọ,
Na-enyere ha aka mgbe ọ bụla i nwere ike,
Jiri obiọma na ịhụnanya na-emeso onye ọ bụla omume.
Ọ bụrụgodị na ha adịghị emeso gị etu ahụ.
Ị ga-ahụ na e nwere ọtụtụ ndị anaghị enwe obi ụtọ n'ụwa.
Na-atụ egwu ma na-echegbu onwe ha naanị maka onwe ha.
Biko, "Adịla" ka ha.
I nwere ike ịgbanwe ụwa ma ọ bụrụ na ị "na-ege ntị"
N’olu dị jụụ n'ime obi gị ma

Na-ekesa onye ọ bụla ozi ahụ.
Were egwu nabata ndụ. Na-egosi onye ọ bụla obi ọma.
Na-egosi ndị dị iche na ndị na-adọlị ihe ọma dị n'obi gị.
Na, nke kachasị mkpa, na-emeso ndị ọzọ
Dị ka ị chọrọ ka e mesoo gị.
I mee nke a, ị ga-enwe obi ụtọ.
"Ebila" n'ụwa ebe onye ọ bụla na-atụ,
Na-eche naanị banyere onwe ha.
Kama, na-eche banyere ndị ọzọ, na-emesapụ aka, na-enwe ọmịiko, na-ahụ n'anya, na-akwanye ugwu, dị umeala n'obi, na-enwe ndidi, na-ekwu eziokwu, na-enwe obi ebere, na-enwe obi ọma, na-eche ezi ihe, na-enye ekele, nwee olileanya, ma nwee nchekwube banyere ndụ.
Nwee obi ike;  na-eche banyere mmetụta ndị ọzọ,
Nwee enyi ma nyere ha aka ma ọ bụrụ na ha dị iche ma ọ bụ nwee mkpa.
Ọ bụrụ na ị na-eme nke a, i nwere ike ịhụ na ndụ gị ga-enwe obi ụtọ ma baa uru.
Ụzọ ị hoọrọ site na ndụ ga-ekpebi
Ọdịnihu nke ụwa.
Ọgbọ ndị ochie "arụbeghi" ezigbo ọrụ
Na-elekọta ụwa anyị na mmadụ ibe anyị.
Ya mere, ọ dịịrị gị ime mgbanwe
Nke a ga-emerịrị,
Site n'ịhọrọ "ezi" ụzọ na ndụ.

*"Ọhụ gị ga-edo gị anya*
*Naanị mgbe i nwere ike ile anya*
*N'ime obi gị.*
*Onye na-ele anya n'ezi, nrọ.*
*Onye lere anya n'ime, teta".*
Carl Jung

# Isi nke 1:

# Nchọta Ihe Gị

Azịza ndị anyị na-achọ, ị "Chọta Ihe Gị",
Na-enyere anyị aka ịnabata Udo nke Ime, Ịhụnanya na Mepụtara na ndụ anyị,
E "nweghi ike" ịhụ n'ụwa site n'ile anya n'ezi.
Enwere ike ịchọta ha naanị site n'ile anya "N'ime", ebe Mmụọ dị.
Ọtụtụ n'ime anyị na-aghọta nke a nke ọma.
Ịnabata ma kwe ka Mmụọ gị duzie
Njem Gị Site na Ndụ, etu o sila dị, bụ ihe ịma aka.
Nke a bụ n'ihi ikike nke onwe.
Onwe bụ ihe niile a "kụziere" anyị ma "Kwere" na ọ bụ eziokwu kemgbe a mụrụ anyị.
"Mkpọlite" na-amalite mgbe anyị malitere ịjụ ajụjụ gbasara ihe niile anyị "mụtara".
"Mmụta" na-eme mgbe anyị "na-anabata" dị ka eziokwu
Ihe niile anyị mụtara bụ "Ajọ ihe".
Njem ahụ dị ogologo, sie ike, ma bụrụ nke ị nọ sọ naanị gị.
"Ihe Ndụ Pụtara" na-agbaso njem a,
"Na-ekesa n'enweghi ọdịmma onwe onye"
Ndị ọzọ "Ihe" gị.

*Gịnị mere anyị ji dị ndụ? Gịnị ka " Ndụ Pụtara"?* Ajụọla ajụjụ ndị a kemgbe ọtụtụ puku afọ; n'ezie ọ pụrụ ịbụ ihe ijuanya etu azịza ya si dị mfe. Mgbe a mụrụ anyị, azịza ndị a adịlarị *n'ime* anyị. N'ezie, ọ bụ ruo "mgbe" a mụsịrị anyị azịza nke ajụjụ ndị a na-efunarị n'ọtụtụ ihe ịma aka anyị niile na-ezute na ndụ anyị.

*"Afọ ise mbụ nke ndụ nwatakịrị ọ bụla bụ nke kacha mkpa".* Ọ bụ n'oge a ka ha na-amụta ihe a na-atụ ha anya n'aka na etu ha ga-esi eme omume n'ọnọdụ dị iche iche n'ụwa. Ọ bụkwa mgbe ha ga-azụlite echiche niile banyere ụwa na etu e si emeso ndị ọzọ omume. A na-akpụ echiche ha, , okwu ọnụ, nkwenkwe, na ọchịchọ ha n'afọ ndị mbụ a ma ọ ga-abụkwa ihe ndabere nke etu ha ga-esi na-akpa agwa na etu ha ga-esi na-emeso ndị ọzọ omume na ndụ ha niile.

N'ime afọ ndị a, ọ bụrụ na a kụziere nwatakịrị ka ọ na-ele ụwa na ndị ọzọ anya site na Oghere *Gbara Ọchịchịrị Adịghị mma*, nke "*Egwu*" na-achị "*Ịhụnanya*", mgbe ahụ nsogbu ndị ha na-eche ihu ga-adị ukwuu. Site n'ile ụwa anya etu a, ha ga-amụta iche banyere naanị onwe ha, karịa maka onye ọ bụla. Site n'ịnabata echiche a, Njem Site na Ndụ ha na-abụkarị nke naanị ha ma jupụta n'ọtụtụ ndọlị.

Ọ bụrụ, etu o sila dị, na n'ime afọ ndị mbụ a, ha na-anabata "*Ịhụnanya kama Egwu*", mgbe ahụ ndụ ha ga-ewere ụzọ dị iche. Site n'ịnabata uru mbụ *ịhụnanya* bara, ha ga-amalite ịghọta ndụ n'ụzọ dị iche; ebe e nwere nchegbu na ọmịiko maka "*Onye ọ bụla*", kama naanị maka onwe ha. Ụmụntakịrị ndị a ga-amụta ịghọta na ịkwanyere ndị ọzọ ugwu ma na-ahụ ndụ *n'ijuanya* na *ịhụnanya*, karịa n'*egwu* na *ịkpọasị*.

*"Ihe a na-amụta n'ime afọ ise mbụ nke ndụ nwatakịrị, nwere ike imetụta ndụ ha niile."* Ọtụtụ mgba anyị na-alụ n'oge ndụ anyị niile na-abụkarị n'ihi nkwenye ndị anyị zụlitere n'oge mbụ ndị a, afọ ndị nghọrị. Anyị *na-amụta* banyere mmekọrịta anyị na ụwa n'ime afọ ndị a ma anyị nwere ike iji oge *ndụ* anyị fọdụrụnụ na-agbalị imezi ihe ọjọọ e mere. A na-akpata mmebi ahụ site na *nnabata* nke ọtụtụ ozi ịchọ ọdịmma onwe onye ụgha nke anyị natara dị ka eziokwu, ka anyị *na-amụta* ọrụ anyị n'ụwa. Ka ọ na-eru mgbe nwatakịrị dị njikere ibido akwụkwọ, ozi ndị a na-agbanyekarị mgbọrọgwụ n'ime nwatakịrị ahụ, ha na-emetụta echiche na omume ha niile, *ọtụtụ mgbe oge ndụ ha niile fọdụrụnụ.*

Ọ ga-amasị m ka ị na-ese onyinyo igbe mepere emepe n'obi gị. Tupu a mụọ anyị, igbe ahụ tọgbọ chakoo. , n'ọmụmụ anyị, ka o sila dị, "*Onwe*", nke bụ ihe niile anyị "*mụtara*", na *"kwere na ọ bụ eziokwu"*, *mgbe a mụsịrị anyị*, na-amalite ịkwaju igbe a. Na mkparịtaụka ọ bụla anyị na-enwe, igbe ahụ na-adị arọ karịa, ka ọ na-amalite ịbanye na ngwongwo anyị na-akwakọba, site n'ihe niile abụghị eziokwu anyị *mụtara* n'oge ndụ anyị. Ka igbe ahụ na-adịkwu arọ, ka *ihe anyị na-anyụwanye anyụ ma* anyị ga-ebupụkwa ngwongwo anyị mgbe anyị *tetara* ma malite njem *mmụta* anyị.

N'ime igbe ahụ bụ *eziokwu niile nke ịchọ ọdịmma nke onwe nke onwe anyị mụtara ma nwata ahụ nabatara* ka ha na-etolite. Ọ bụ ezie na ọ naghị ewe ogologo oge iji kwajuo igbe ahụ, o nwere ike iwe ndụ ha fọdụrụnụ, ma ọ bụrụ na o nwere, *"Chọta Ihe Ha" ọzọ*, kwapụsịa ihe dị na igbe ahụ ma laghachi na udo nke obi na nghọta ha maara tupu igbe ahụ amalite iju; tupu ekpugheere ha ọtụtụ *asị* nke *onwe ya mụtara* na nwata *nabatara* dị ka eziokwu. Ka igbe ha ga-ebu na-adịwanye arọ, ka *Njem* ha *na-aga na ndụ*

ga-esikwu ike ma na-esikwu ike ka ha na-achọ *ịchọta ihe ha* ọzọ. Ya mere ka anyị gbalịsie ike ime ka ndụ ụmụ anyị nwee obi ụtọ site n'ime ka igbe ha dị mfe, ka ha wee "*Chọta Ihe ha*" *n'ime* ndụ mbụ ha.

A na-akwaju ọtụtụ igbe anyị n'ime afọ mbụ nke ndụ nwatakịrị, site na mgbe a mụrụ ha ruo afọ 5. Mgbe ahụ, anyị na-ejikarị oge ndụ anyị niile na-agbalị ịkwapụ ihe anyị kwakọbara.

Ka anyị na-achọ "Ihe" anyị ma malite ịjụ ajụjụ gbasara eziokwu nke ihe niile a kụziiri anyị n'ime afọ ndị a, anyị na-amalite "*Teta*" ma malite ọrụ siri ike nke ịkwapụ ihe dị n'igbe anyị. Ka igbe anyị na-adị mfe, *ihe* anyị na-amalite inwu ntakịrị kwa ụbọchị na-agafe. Ọ bụ ruo mgbe igbe anyị fọrọ obere ka ọ tọgbọrọ chakoo, ka a ga-ahụkwa *Ihe* dị n'ime ya ma chọpụta "*Mmụta*". Ebe ọ bụ na *Onwe* ga-anọnyere anyị mgbe niile ruo mgbe anyị nwụrụ, igbe ahụ agaghị atọgbọrọ efu kpamkpam, ọ bụ ezie na *Ihe* anyị, adịghị enwu enwu dị ka ọ dị tupu a mụọ anyị, na-aghọzi ihe na-egbuke egbuke.

Anyị nwere ike iji ndụ anyị niile na-agbalị ịkwapụ igbe anyị juru n'ime afọ ise mbụ nke ndụ anyị. Ka igbe ahụ na-ejupụta na ka ọ na-adịkwu arọ n'oge mmalite ndị a, etu ahụ ka ndụ ga-esikwu ike. Ka anyị na-etolite ma na-ezute ọtụtụ ihe isi ike nke ndụ ga-ewetara anyị, ka ọ na-esikwu ike ịtọpụ ịkwapụta ihe dị n'igbe ahụ. Mgbe anyị bụ okenye, ọtụtụ mgbe anyị na-agbalị nnọọ ịdị ndụ n'ụwa ma makudo ụzọ nke ọchịchọ nke *Onwe* site na ndụ; nke a na-eme ka ịkwasa igbe ahụ sie ike karịa.

Chegodi ma ọ bụrụ na igbe nwa anyị ka bụ ihe tọgbọrọ chakoo ka ha na-etolite ma *mụta* ihe gbasara ọha mmadụ na etu e si adị ndụ n'ụwa. Ọ ga-ekwe omume ịzụlite ụmụ anyị dị ka nke a, iji mee ka igbe ha ga-ebu dị mfe ma mee ka *Ihe* ha na-enwu n'oge ndụ ha niile. Iji mee nke a, ka o sila dị, a ghaghị inwe mgbanwe n'echiche anyị, na-akụziri ụmụ anyị, kachasị n'ime afọ ndị mbụ nke ndụ ha, ịnabata "Ịhụnanya" kama "Ụjọ".

Ya mere ọ dị mkpa, ibelata mmebi nke a, mee ka *Ihe* ha na-egbuke egbuke, site n'ịzụlite ụmụ anyị n'ụzọ *ịhụnanya dị mma*, na-akụziri ha ka ha tụkwasị obi ma na-agbaso nduzi nke *ime Mmụọ* ha site n'oge a mụrụ ha. Site n'ime nke a, ụmụ anyị ga-enyere aka webata mgbanwe nke nlezianya, nke ga-agbanwe ọ bụghị naanị ntụziaka ndụ ha ga-ewe, kamakwa usoro nke ihe niile dị ndụ n'ụwa.

Ọtụtụ ndị na-eji ndụ ha niile na-emezi ihe ọjọọ mere ha n'afọ 5 mbụ nke ndụ ha, ebe ha na-emekọrịta na-anabata omenala obodo. Anyị nwere

olileanya na a ga-ebelata mmebi a ma, site n'ime nke a, mee ka ọ dịrị ha mfe *"Ịchọta Ihe Ha"* ọzọ.

*Azịza ndị anyị na-achọ, ị "Chọta Ihe Anyị", na-enyere anyị aka ịmakụ udo nke ime, ịhụnanya na nzube na ndụ anyị, nwere ike "ghara" ịhụ mgbe ọ bụla n'ụwa site n'ile anya n'ezi; e nwere ike ịhụ ha site n'ile anya "n'ime", ebe Mmụọ dị.*

# Na-ekesara Ụwa “Ihe” Gị

Ọ dị mfe ịnabata ọnọdụ dị ugbu a,
N'ịghọta ọtụtụ nsogbu ọtụtụ ndị nwere
Dị ka ihe apụghị izere, inwe obere ụzọ iji nyere ndị ọzọ aka.
Lee ụwa taa na n'akụkọ ihe mere eme niile
Iji hụ ihe ọ dị ka ibi n'ụwa dị etu a.
Ọ bụ ụwa nke Egwu, Ịkpọ asị, ibochi ọnụ, Agha, Agụụ,
Enweghi ebe obibi, mgbanwe ihu igwe, wdg.
Onye ọ bụla nwere ike ịgbanwe ụwa.
Onye ọ bụla n’ime anyị nwere, "N'ime" anyị, ụzọ ime ya.
Ọ na-amalite site n’ "Ige ntị" nwayọ, "Nabata"
Ozi ị “Nụrụ”
Ma na-ekesara ụwa "Ihe" gị.

# Isi nke 2:
# Nkọwa nke Uche, Ahụ, Njikọ Mmụọ

Ọdịda nke agụmagụ akparamagwa
Agụmagụ nke akparamagwa aghọtala uche, ahụ, njikọ mmụọ n'ezie?
Omenala ugbu a na-emeso naanị ihe abụọ uche na ahụ,
Na-eleghara ihe ime mmụọ na-akpatara ọrịa.
Ọ bụ ezie na ndụmọdụ na ọgwụ nwere ike inye mmadụ ohere
Iji nwee ike ịnagide na ibi n'ụwa,
Ọ na-eleghara "n'ụzọ zuru ezu" ọgwụgwọ ọrịa,
Ikwe ka ọ laghachi ngwa ngwa.
“Mmụọ Nsọ na-enye ndụ anyị Mpụtara”.
Na-etinyeghi ya na ọgwụgwọ ọ bụla.
Naanị akụkụ nke ọrịa ka a ga-agwọta
Hapụ ọgwụgwọ ezughị ezu.
Ọ bụ ezie na a pụghị igosipụta Mmụọ na sayensị.
Ma ndị isi mgbaka ma ọ bụ ndị ahụike agaghị anabata ngwa ngwa,
N'ezie, o nweghịkwa ike izipu Ụbụrụ, Onwe ma ọ bụ ọchịchọ ọha nke
Freud wepụtara.
Ma a na-anabata ntọala ya ngwa ngwa na ọmụmụ akparamagwa.
Ọ bụ oge maka ọtụtụ ndị ọka mmụta sayensị
Iji gbasaa echiche ha ịgwọ ọrịa *niile* site na
N'otu aka ahụ site n'itinye Mmụọ
Tinyere Uche na Ahụ.

“*Mkpọlite*” na-amalite site n'ịghọta uche nwere akụkụ abụọ, njikọ anụ ahụ anaghị aza mgbakasị obi abụọ *n'ime* ajụjụ ahụ na *ihe niile* a kụziiri anyị ziri ezi. “Mmụta” na-apụta na ịghọta ihe niile anyị mụtara na ndụ anyị, anyị na-ekwere dị ka eziokwu, “*abụghị*”. Site na *mmụta*, ị ba uru, nnabata, na mgbakwunye nke *Mmụọ*, *ka a gbakwunyere ugbu a na njikọ ahụ uche*.

*Kedu ihe bụ uche, ahụ, njikọ mmụọ*? Edewo ọtụtụ ihe gbasara njikọ dị n'etiti *uche ama ama na anụ ahụ*. Site n'ịgbakwụnye *Mkpụrụobi Ime Mmụọ* n'ime nhatanha ahụ, a ga-emeghe ụwa ọhụrụ nke ohere. Agaghị atụle mmụọ site n’iji naanị sayensị, ọgwụ, ma ọ bụ akparamagwa; ya mere akwụkwọ a ga-elekwasị anya n'ụzọ bụ isi na Mmụọ ahụ iji nyere anyị niile aka ịghọta nke ọma ihe Mmụọ bụ yana etu ọ ga-esi nyere anyị aka ịghọta nke ọma *"Ihe Ndụ Pụtara "*.

N'akwụkwọ a, mgbe anyị na-atụle "*Kenwe*" ("*Onwe*"), ọ ga-abụ site n'*ihe Mmụọ*, kama echiche nke uche. Dị ka a kọwara n'isiakwụkwọ gara aga, nkọwa anyị gbasara "*keonwe*" ("*Onwe*"), *bụ ihe niile* anyị "*mụtara*" ma "*kwere na ọ bụ eziokwu*" mgbe amuchara anyị. Iji mee ka nkwurịta okwu a dị mfe karịa, anyị ga-atụle okwu ndị bụ "*Onwe*" na "*ọchịchọ keonwe*" dị ka otu ihe.

Dị ka Sigmund Freud si kwuo, e nwere akụkụ atọ nke agwa mmadụ; Ha bụ uche, keonwe na keọha. "*Keuche* " bụ isi, akụkụ mbụ nke agwa anyị, nke dị site na ọmụmụ; ọ na-enye anyị ohere igbo mkpa anyị bụ isi ma mejuo mkpa na ọchịchọ anyị bụ isi. Nke na-esote ya bụ, "Keonwe" na-amalite n'ime afọ atọ mbụ nke ndụ nwatakịrị ma na-enyere anyị aka ịghọta echiche anyị n'ụwa gbara anyị gburugburu. N'ikpeazụ, "Keọha" na-amalite ịpụta ihe n'afọ ise ma bụrụ akụkụ ziri ezi nke agwa anyị, na-enye ụkpụrụ omume nke Onwe na-arụ ọrụ. Ebe ọ bụ na akwụkwọ a na-ekwu maka ihe gbasara mmụọ, ọ bụghị akụkụ sayensị nke anyị ka Freud tụlere, anyị ga-eji okwu ahụ bụ "Onwe" na-anọchi anya akụkụ atọ nke agwa mmadụ, "Uche, Keonwe na Keọha jikọtara", kama karịa ikewapụta akụkụ nke ọ bụla nke agwa anyị n'otu n'otu. Anyị na-eme nke a iji belata mgbagwoju anya nke nwere ike ibilite ma ọ bụrụ na anyị enweta oke nka ma ọ bụ nke akọwapụtara yana ime ka echiche ndị anyị na-achọ iwepụta dị mfe.

Dị nnọọ ka Freud kwuru banyere Uche, keonwe na Keọha, ikekwe ọ bụ oge ịgbakwunye otu ụdị ọzọ mgbe ị na-atụle agwa mgbagwoju anya na mmetụta uche nke ndị mmadụ; ngalaba ahụ bụ "Mmụọ". Ebe ọ bụ na a pụghị ịhụ mmụọ ma ọ bụ gosi na ọ dị site n'iji naanị sayensị, ọ dị mkpa ka e nwee "Ili elu nke Okwukwe" iji nabata, ọ bụghị naanị na ọ dị adị, ma ọ dịkwa mkpa maka ọdịmma mmetụta uche na nke anụ ahụ.

Ọ bụrụ na anyị nwere ike ị na-ekwere "Keonwe" ("Onwe"), gịnị kpatara na anyị agaghị anabata "Mmụọ." Enweghi ike igosi ha abụọ na nka mmụta sayensị, ma ọtụtụ echiche na ọgwụgwọ nke ọrịa uche dị iche iche na-adabere na "inyere aka" Keonwe (Onwe) gbanwee na ọgba aghara na mgbagwoju anya ọ na-ekpughe na ụwa. Mmụọ ahụ nọ naanị ebe ahụ iji nyere aka dozie onwe ya, n'adịghịkwa ka onwe ya, nke gbanyere mkpọrọgwụ na "egwu", Mụọ ahụ gbanyere mkpọrọgwụ na "ịhụnanya". Ikekwe ọ bụrụ na anyị malitekwara ịgwọ ọrịa, site n'itinye mmụọ nsọ na usoro ọgwụgwọ, enwere ike ịchọta ụzọ ọhụrụ ka mma maka ọgwụgwọ.

**You've Just Finished your Free Sample**

**Enjoyed the preview?**

**Buy: http://www.ebooks2go.com**